Nsekasị Mkpọaha nha onwe na ebe n'Udi, Steeti Enugwu

By

[1]Fabian Uchenna Ude Ph.D.
Department of Arts Education,
Faculty of Education,
University of Nigeria, Nsukka
e-mail: uchenna.ude@unn.edu.ng.
Phone: 08064231662
&
[3]Aneke, Adolphus Onyenachiya
Godfrey Okoye University, Enugu
e-mail: anekeadolphus12@gmail.com.
Phone: 08035793890

Ụmị

Nchọcha a lebara anya na nsekasị mkpọaha nha onwe na ebe n'Udi, Steeti Enugwu.Ụfọdụ ndị nchọcha ekwetaghị na e nwere mkpọaha nha n'asụsụ Igbo. N'ihi nke a, nchọcha a gbara mbọ gosipụta na nkwenye ahụ adabaghị site n'izipụta na asụsụ Igbo nwere mkpọaha nha. Ọ bụ sọvee nkọwa ka e ji mee nchọcha a. Ọ bụ site n'akwụkwọ ndekọ aha nke e nwetara n'ụlọakwụkwọ, n'ụlọụka, na otu ọgbakọ dị iche iche ka e si nweta aha ndị mmadụ e ji mee nchọcha a. E mere nseka ihe ọrụ/data site n'ịhazi aha ndị ahụ e nwetara n'ọnọdụ ndị a: ndị bụ mkpọaha nha onwe, mkpọaha nha ebe na mkpọaha nha nsinangwaa. Ọzọkwa, na nsekasị ihe ọrụ/data, e ji olilo ụdaume, ndapụ ụda na akara ụdaolu wee mee nke a. Site n'ụzọ dị otu a, nchọcha a gbara mbọ gosipụta na e nwere mkpọaha nha n'asụsụ Igbo.

Okpụrụkpụ Okwu: Mkpọaha, nha, nha onwe, nha ebe, ụtọasụsụ Igbo na Asụsụ Igbo.

Mkpọlite

Asụsụ bụ ihe nrịbama nke mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha n'ụdị ekwumekwu. Ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ si ezipụta echiche ya na ihe o bu n'obi. Iji kwado nke a, Agbedo (2015) kọwara na asụsụ bụ usoro mmadụ na ibe ya

si emekọrịta site n'iji nrịbama dị iche iche dịka olu ụda, mmegharịahụ na ederede. Enwem ike ịsụ asụsụ bụ naanị mmadụ ka ọ dịịrị nke mere mmadụ ji dị elu karịcha anụ ndị ọzọ e nwere n'ụwa. Ọnọdụ a mere Farinde n'ime Ude (2018) ji hụ asụsụ dịka otu ihe gbara ọkpụrụkpụ debere mmadụ n'ọnọdụ dị elu karịa anụmanụ ndị ọzọ. Nke a gosiri na ebe ụmụ anụmanụ ndị ọzọ na-eme ụzụ/ụda, mmadụ na-akpọpụta ụda n'ụdị asụsụ maka mmekọrịta n'etiti onwe ha.

Ọzọkwa, Ude, Ezema na Ezema (2019) kọwara asụsụ dị ka okwu mmadụ kwuru n'ọnụ maọbụ dee ya ede n'akwụkwọ nke e ji eme ka ndị ọzọ mata ihe e bu n'uche. N'echiche Ude (2010), asụsụ bụ alaka omenala nke enweghị myiri mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha. Nke a pụtara na asụsụ dị nnukwu mkpa n'ebe mmadụ nọ n'ihi na ọ bụ ya bụ otu ụzọ ekwurunọnụ mmadụ na ibe ya ji akparịta ụka. Ebe asụsụ bara nnukwu uru na ndụ mmadụ, ọmụmụ asụsụ dịkwazị oke mkpa n'ebe mmadụ nọ. N'ihi ya, asụsụ ọbụla tinyere asụsụ Igbo nwere ngalaba dị iche iche a na-amụ n'ụlọakwụkwọ n'ogo dị iche iche. Ngalaba ndị ahụ gụnyere: Ụtọasụsụ, Agụmagụ, Edemede na Omenala. Nchọcha a gbadoro ukwu n'ihe gbasara ụtọasụsụ.Ụtọasụsụ bụ iwu dị iche iche na-achịkwaba asụsụ ọ bụla (Ọtagburuagụ, Okwor, Ngonebu, Orabueze na Ogenyi, 2012). Yusuf (2011) kọwara ụtọasụsụ dịka mmụta ndị nwe asụsụ ọ bụla nwetara iji nwe ike ghọta ma sụọ asụsụ ahụ etu o kwesịrị. Na nkọwa nke ya, Mbah (2011) hụrụ ụtọasụsụ dịka mkpokọta ezumoke ọdịdị asụsụ ọ bụla maka mkparịta ụka n'etiti agbụrụ dị iche iche. Ezema (2016) hụrụ ụtọasụsụ dịka iwu asụsụ ọ bụla nke na-achịkwa ụda, mkpụrụokwu, ahịrịokwu na alaka ụtọasụsụ ndị ọzọ dị n'asụsụ ahụ. Etu o sila dị, na nkọwa niile ahụ e nyere maka ụtọasụsụ, otu ihe pụtara ihe bụ na ụtọasụsụ bụ iwu dị iche iche na-achịkwaba asụsụ ọ bụla nke a tụrụ anya na ọmụụ ma ọ bụ ọsụụ ga-ebu n'obi mgbe ọ na-asụ asụsụ ahụ.

N'ịga n'ihu, e nwere alaka ndị a n'ụtọasụsụ: Akpọmakpọ, Mmebeokwu, Usorookwu na Mpụtara/nghọta okwu. Akpọmakpọ na-amụ maka mkpọpụta ụdaasụsụ ọ bụla, mmebeokwu bụ maka imepụta okwu ọhụrụ n'asụsụ; usorookwu na-ahụ maka ọdịdị na nhazi ahịrịokwu asụsụ ahụ ebe mpụtara/nghọtaokwu na-eleba anya n'ihe okwu dị iche iche pụtara n'asụsụ ọ bụla.

Nchọcha a lebara anya na nha nke bụ alaka mmebeokwu. Mmebeokwu na-amụ maka ọdịdị mkpụrụokwu n'asụsụ dị iche iche. Yusuf (2011) kọwara mmebeokwu

dịka ọmụmụ gbasara ọdịdị mkpụrụokwu nke na ọ bụrụ na e gburie mkpụrụokwu dịka alaka ụtọasụsụ ya siri dị, nke kacha pụta ihe bụ mọfịm. Dịka, Ọtagburuagụ, Okwor, Ngonebu, Ọrabụeze na Ogenyi (2012) si kọwaa, mmebeokwu na-amụ maka ihe dị iche iche mejupụtara ọdịdị mkpụrụokwu n'asụsụ nke bụ fọnim.

N'ịga n'ihu usoro nha dịka o si gbasata mmebeokwu abụrụla nke e si na ya mepụta okwu ọhụrụ n'asụsụ dị iche iche. Nke a dabara n'ihe Altmann (1988) kwuru, na nha bụ ọnọdụ ịmakọ/iji okwu abụọ wee mepụta/mebee okwu ọhụrụ ma ọ bịa na mkpa. N'ihi nke a, Iloene (2011) hụrụ nha dịka usoro mmebe okwu nke a na-esite na ya jikọọ okwu abụọ/mọfịm abụọ wee nweta okwu ọhụrụ. O nyere ọmụmaatụ ndị a n'asụsụ Igbo:

- Ụlọ + akwụkwọ → ụlọakwụkwọ
- Ije + ọma → Ijeoma
- Ụda + ume → Ụdaume
- Ụgbọ + ala → Ụgbọala

Ọzọkwa, Mbah, Mbah, Ikeokwu, Okeke, Nweze, Ugwuọna, Akaeze, Onu, Eze, Prezi na Odii (2013) kọwara na nha bụ usoro mmepụta okwu ebe mgbọrọgwụ okwu abụọ na-abịakọta ọnụ wee mepụta okwu ọhụrụ. Na nkọwa niile ndị ahụ e nyere n'elu ebe a maka nha, otu ihe pụtara ihe bụ na ọ bụ usoro imepụta okwu ọhụrụ site n'ijikọ okwu abụọ ọnụ. N'agbanyeghị nke a, ọmụmaatụ ndị ahụ e nyere ebe a emetụtaghị mkpọaha nha onwe na nke ebe e nwetara site n'olilo ụdaume ma ọ bụ ndapụ ụdaume. Ọ bụ nke a mere nchọcha ji were usoro olilo na ndapụ ụdaume wee gosipụta na e nwere mkpọaha nha onwe na ebe n'asụsụ Igbo dịka o si gbasata mpaghara Udi, steeti Enugwu.

Nsogbu Nchọcha

Enwekabeghị ọtụtụ nchọcha emerela n'Igbo gbasara nha ọ kachasị na mkpọaha nha onwe na ebe. Ụfọdụ ndị merela nchọcha maka nha n'asụsụ Igbo kwenyere na e nweghị mkpọaha nha n'Igbo. Otu n'ime ha bụ Ọnụọha (1990) onye mere nchọcha na nha ngwaa Igbo, kọwara na mkpọaha nha adịghị n'asụsụ Igbo. Ọtụtụ nchọcha e merela na lingwistik Igbo maka nha dabeere naanị na ngwaa nha n'ihi na ọ dị ụbara. Etu o sila dị, Nwaozuzu (1991) mere nchọcha na mkpọaha nha n'Igbo mana nchọcha ya elebaghị anya na mkpọaha nha onwe na ebe. Ọ bụ ihe ndị a mere

nchọcha ji lebaa anya na mkpọaha nha onwe na ebe dịka o si gbasata mpaghara Udi, steeti Enugwu.

Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta mkpọaha nha onwe na ebe dịka o si gbasata mpaghara Udi, steeti Enugwu.

Uru Nchọcha

Nchọcha a gbara mbọ gosipụta na e nwere mkpọaha nha n'asụsụ Igbo nke mere ka e nwee mbawanye mkpụrụokwu n'asụsụ Igbo. O mekwara ka ọkaasụsụ Igbo bawanye n'okwu e ji ede Igbo. Ọ bụ ezie na nchọcha a jedebere na mkpọaha nha onwe na ebe mana ọ ga-abụ ihe mkpali mmụọ nye ndị nchọcha ọzọ inwe mmasị imekwu nchọcha gbasara isiokwu a e mere nchọcha na ya maka ọmụmụ asụsụ Igbo.

Oke Nchọcha

Nchọcha a jedebere n'ịchọpụta mkpọaha nha onwe na ebe na mpaghara Udi, steeti Enugwu.

Ntụleharị Agụmagụ

Atụtụ Njirimee

Ọ bụ atụtụ usoro mmebeokwu nke 'Hockett (1954) wepụtara ka e ji mee nchọcha a. Isiokwu atụtụ a na-akọwa bụ na mmebeokwu na-ahụ maka nha ebe mgbọrọgwụ okwu bụ mọfịm a na-ewere dịka okwu zuru oke n'asụsụ ọ bụla. Nchọcha a dabara n'atụtụ a n'ihi na nha gbasara iwekọta/ịmakọ okwu abụọ ma ọ bụ karịa kwụụrụ onwe ha ọnụ iji mepụta okwu ọhụrụ anabatara n'ọkaasụsụ ọ bụla nke asụsụ Igbo so n'ime ya.

Nchọcha Emerela N'Isiokwu

Nchọcha Emerela n'Asụsụ Yoruba

Asụsụ Yoruba bụ asụsụ ụdaolu nke mere ka o nwee myiri n'ebe asụsụ Igbo dị. Adebayo (1979) mere nchọcha n'isiokwu a kpọrọ 'Mmebe Mkpọaha na Yoruba". Ọ chọpụtara na e nwere ike imepụta/imebe mkpọaha na Yoruba site n'iji usoro olilo ụda. Ọmụmụ atụ o nyere bụ ndị a:

i) Íle = (house)

H H
Íwè = (Book)
H L
Íle≠ Íwè→Íleewè (compound) school
H H H L H HH L

ii) Íle = (house)
H H
Íse = (work)
H H
Íle≠ Íse → Íleése (compound) factory/industry
H H H Level H H Level

iii) Íwè = (book)
H L
Ìróyin = (news)
H H
Íwè ≠ Ìróyin → Íweeóyin (compound) 'newspaper'
H L L H Level H H Level

iv) Òwó = (money)
L H
Òri = (head)
L L
Òwó ≠ Ò̩ri →Òwoorí (compound) 'tax'
L L L H L LL H

v) Íwè = (book)
H L
Òkó = (vehicle)
L H
Íwè ≠ Òkó → Íwèekó (compound) 'licence'
H L L H H LL H

N'ọmụmaatụ ndị a dị n'elu ebe a, e nwere olilo ụda nganihu nke na-eme ka mkpọpụta mkpụrụokwu ma ọ bụ nha e nwetara dị mfe ebe ọ bụ na asụsụ Yoruba nabatara olilo ụda n'ihi na ụdaume ndị ahụ nwere ike ịbịakọta n'otu n'otu mbarị n'asụsụ Yoruba.

Ọzọkwa, Oyebade (1992) kọwara na e wezuga nganihu na nsonazụ, nha bụ otu ụzọ e nwere ike isi mepụta okwu ọhụrụ. Ọ chọpụtara na nha bụ ọnọdụ ijikọta okwu ndị kwụụrụ onwe ha ọnụ iji nweta okwu ọhụrụ n'asụsụ dị iche iche.
Na nsekasị ihe ọrụ ya, Oyebade ji usoro elision, nkachapụ na mmakọ wee mebee okwu nha n'asụsụ Yoruba. Ọmụmaatụ o nyere gụnyere:

i) áya ≠ óba → áyaobá → Áyabá (queen)
H H H H H HH H H H H
(nkachapụ 'o')

ii) ómo ≠ óbinrín → ómoobínrin → ómobínrin (girl)
H H H H H H HH H H H H level

iii) í ≠ yà ≠ ìrun → íyaìrun → íyàrun
H L L H L level H L level
Nkachapụ 'I'

iv) ìdí ≠ ókò → ìdíóko → ìdíko (motorpark)
L H H L L HH level L H level
Nkachapụ 'O'

N'ime ọmụmaatụ ndị ahụ dị n'elu ebe a, e ji usoro nkachapụ na olilo ụda wee nweta nha ndị ahụ nke mere ka nkebiokwu dị na ha belata.

Nchọcha Emerela n'Asụsụ Edo-Bini

E nwekabeghị ọtụtụ nchọcha emerela n'isiokwu a bụ mkpọaha nha n'asụsụ Edo-Bini. N'agbanyeghị nke a, Eke (1991) mere nchọcha n'isiokwu a kpọrọ 'Okoro Complex of names in Isoko-Urhobo Culture'. Onye nchọcha ahụ chọpụtara na

tupu ọbịbịa ndị Bekee, aha onwe na aha ebe jupụtara n'asụsụ agbụrụ dị iche iche. O nyere ọmụmaatụ ndị dịka o si dị n'asụsụ Isoko-Urhobo/Edo-Bini.

i) Ụ́mụ̀ = 'Children/Offspring'
H L
Ò̀koro = 'Male issue'
L L L
Ụ́mụ̀ ≠ Ò̀koro → Ụ́mụ̀okoro → Ụ́mụ̀koro
H L L L L H L L L L H L L L
'Male name' (Compound)

ii) Ụ́mụ̀ = 'Children/Offspring'
H L
Ò̀koko = 'Female issue'
L L L
Ụ́mụ̀ ≠ Ò̀koko → Ụ́mụ̀okoko → Ụ́mụ̀koko
H L L L L H L L L L H L L L
'Female name' (Compound)

N'ọmụmaatụ ndị ahụ dị n'elu ebe a, mkpọaha na mkpọaha bịakọtara ọnụ wee nye nha ndị ahụ bụ ndị e nwetara site n'iji usoro nkachapụ na olilo ụda dịka o si dị n'asụsụ Yoruba.

Nchọcha ọzọ emerela n'Edo-Bini bụ nke Dawodu (2004) mere n'isiokwu a kpọrọ 'Nominals in Edo-words or language phonology'. Ọ gbasoro usoro olilo nloghachi azụ ụda wee nweta nha ndị o nwetara na nchọcha ya. Nchọcha gosiri ọmụmaatụ ndị a:

i) èkó ≠ óba → èkóobá → Èkóbá (King's comp)
L H L L HH H L H H
Camp king king's camp (compound)

ii) Ùzán ≠ ńetò → Ùzáneeto → Ùzánetò (comb)
L H H L L H H L L H H L
'comb' 'hair' 'comb' 'compound'

iii) èkpó ≠ ókin → èkpóokin → Èkpókin (leather box)
L H H level L HH level L H level
'box' 'leather' 'leather box' (compound)

iv) eki ≠ uselu → ekiuselu → Ekiselu (compound)
L L L H level L LL H level L L H level
'market' 'village name' 'Selu market'

v) ègué ≠ óba → èguéoba → Èguóba (compound)
L H H H L L HH level L L H level
'palace' 'king' 'king's palace'

vi) ìyé ≠ óba → ìyéóba → ìyóba (compound)
L H H L HH level L H level
Mother king oba's mother

N'ọmụmaatụ ndị ahụ dị n'elu ebe a, onye nchọcha ahụ gbasoro usoro olilo ụdaume nloghachi wee nweta nha ndị ahụ pụtara ihe n'elu ebe a. Nke a gosiri na e nwere myiri n'asụsụ Edo-Bini, Yoruba na Igbo.

Nchọcha Emerela n'Asụsụ Igbo

Ọnụọha (1990) mere nchọcha n'isiokwu a kpọrọ "Syntax and Semantics of verb: Compounding in Igbo". Ọnụọha ekwetaghị na e nwere mkpọaha nha n'asụsụ Igbo nke nchọcha ya ji dabere na nha ngwaa n'asụsụ Igbo. Ọmụmaatụ nchọcha ya gosiri ihe ndị a:

i) Ụlọ́ ákwukwọ́ 'School'
H L H H H

ii) Ụlọ́ Ọ́gwụ̀ 'Hospital'
H L H L

iii) Ụlọ́ àkụ̀ 'Bank'
H L L L

Ọnụọha kwenyere na okwu ndị ahụ nọchitere otu echiche mana ha abụghị otu okwu. Ọ kwenyere na okwu ndị ahụ bụ okwu nkọwa e ji anọchite okwu ndị enweghị ogbo ya n'asụsụ Igbo.

Ọzọkwa, Nwaozuzu (1991) mere nchọcha n'isiokwu a kpọrọ 'Igbo Nominal Compounds: A Semantico-Typological Analysis n'asụsụ bekee. Nchọcha Nwaozuzu gosiri na e nwere mkpọaha nha n'asụsụ Igbo nke megidere nchọcha

Ọnụọha (1990). Nwaozuzu lebara anya n'asụsụ ndị ọzọ abụghị asụsụ Igbo dịka Bekee, Swahili, Tzeltal, dgz. Na nseka ngwaoru/data, Nwaozuzu elebaghị anya n'iji olilo ụdaume, ndapụ ụdaume na nkachapụ wee mee nke a kama o ji akara uhie wee jikọọ mkpọaha nha o gosipụtara na nchọcha ya. Ụfọdụ ọmụmaatụ ya gụnyere ndị a:

i) nwá ada – Miss
H H H

ii) nwá nne – brother/sister
H H

iii) ńna-ochìé – grandfather
H H LH

iv) nwá-ehi – Calf
H H H

v) Ọ́kwà nka – artist
H L L L

vi) ágụ iyí – crocodile
H H H H

vii) áka èkpe – left hand
H H L L

N'ịga n'ihu, nchọcha ọzọ emerela n'isiokwu a bụ nke Anagbọgụ (1995) mere n'isiokwu a kpọrọ "The Strong Boundary Condition for Compounds: The Igbo perspective". Anagbọgụ mere nseka ihe ọrụ/data site n'iji usoro olilo ụdaume wee nweta mkpọaha nha o gosipụtara na nchọcha ya. Nchọcha Anagbọgụ gosiri na e nwere mkpọaha nha n'asụsụ Igbo. Ọmụmaatụ ya bụ ndị a:

	N1		**N2**		**N3**
i)	nwá	≠	òsú	→	Nwóósu
	H		L H		H level
	'child'		'outcast'		'personal name'

ii)	nwá	≠	óke	→	Nwóoke
	H		H H		H H H
	'child'		'male'		'man'
iii)	nwá	≠	óyè	→	Nwóoye
	H		H L		H L
	'child'		'Igbo market day'		'personal name'
iv)	nwá	≠	àfọ	→	Nwáafọ́
	H		L L		H L
	'child'		'Igbo market day'		'personal name'
v)	nwá	≠	èké	→	Nwéeke
	H		L H		H level
	'child'		'Igbo market day'		'personal name'

Ọmumaatụ ndị a dị n'elu ebe a dịka Anagbọgụ si nye, o gosiri na o jighị ndapụ ụdaume wee sekaa iheọrụ/data o nwetara na nchọcha ya.

N'ime nchọcha ndị ahụ atụlegharịrị, o nweghị nke e merela na mkpọaha nka onwe na ebe na mpaghara Udi, Steeti Enugwu. Ọ bụ nke a mere e ji mee nchọcha a n'Udi.

Usoro Nchọcha

Nka Nchọcha

Nka nchọcha eji mee nchọcha bụ nke sọvee. Nka sọvee bụ ụdị nha eji eme nchọcha mgbe ọnụọgụ nchọcha dị ọtụtụ ma were ụfọdụ dịka ndị nnọchite anya ndị ọzọ. Nworgu (2006) kọwara na nka sọvee bụ ebe a na-ahọpụta ụfọdụ ndị mmadụ ndị bụ nnọchite anya ndị ọzọ mgbe a na-eme nchọcha. Nka sọvee bara uru na nchọcha a n'ihi na e wekọtara ọtụtụ mkpọaha onwe na ebe ma site na ha họrọ aha nọchitere anya ndị ọzọ e ji mee nchọcha.

Ebe Nchọcha

Ebe a nọ mee nchọcha a bụ n'Udi Steeti Enugwu. E nwere ogbe ise gbara okpụrụkpụ mejupụtara Udi. Ha bụ: Ngwo, Oshie, Ugwunye, Ezedike, Ojebeogene na Ụmụneke. Obodo iri abụọ na asatọ mejupụtara ogbe ise ndị ahụ. Ndị Udi bụ ndị ọrụ bekee, ndị ọrụ ugbo na ndị na-azụ ahịa.

Ngwa Nchọcha

Ọ bụ site n'akwụkwọ ndekọ ndebanye aha ndị mmadụ e nwetaara n'ụlọ ụka dị iche iche, n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche na ọgbakọ dị iche iche ka onye nchọcha si nweta iheọrụ/data eji mee nchọcha a.

Usoro Nsekasị Iheọrụ/data

Ka anakọtachaara akwụkwọ ndekọ ndebanye aha ndị mmadụ e nwetara n'ụlọ ụka, ụlọ akwụkwọ na otu ọgbakọ dị iche iche, onye nchọcha haziri aha ndị ahụ site n'usoro Abịịdịị, malite na 'A' ruo na 'Z'. Nke a bụ iji mee ka a ghara inwe aha ọ bụla ga-abịa ugboro abụọ na nseka data tinyere iwepu ndị adabaghị na nchọcha a. E jikwa usoro olilo ụdaume, ndapụ ụdaume na nkachapụ ụda sekaa data/iheọrụ nchọcha a. Ọzọkwa, onye nchọcha jikwa ụdị nkanye akara ụdaolu nke PAN rụọ ọrụ na nchọcha a. A haziri mkpọaha nha onwe na ebe e nwetara na nchọcha n'ụzọ ndị a:

- Mkpọaha nha onwe,
- Mkpọaha nha ebe,
- Mkpọaha nha onwe e nwetara site na ngwaa,
- Mkpọaha nha onwe e nwetara site na ngwaa 'bụ', dị na 'ji'.

Nsekasị Iheọrụ/data

1. Mkpọaha Nha Onwe

N'ebe a, e lebara anya na mkpọaha nha onwe n'Udi dabara n'usoro nkanye akara ụdaolu Igbo. Iji mebee okwu mkpọaha onwe n'ebe a, onye nchọcha ji olilo nloghachi ụdaume na ndapụ ụdaume sekaa iheọrụ e nwetara na nchọcha a. Mkpọaha nha onwe ndị ahụ bụ ndị a:

Ọmụmaatụ nke Mbụ:

	Mkpọaha	**+**	**Mkpọaha**		
i)	ùdé L H 'fame'	≠	égo → ùdéegó H level L H H S 'money'	→	Ùdégó(Nha) L H S 'child/man born when money was order of the day.'
ii)	ùdé L H 'fame'	≠	Úgwu → Ùdéugwú H H L HH S 'mountain'	→	Ùdúugwú → Ùdúgwú L H H S L H S 'man named after a famous mountain or a famous person'
iii)	nwá H 'child'	≠	íbè → nwáibè H L HH L 'relation'	→	Nwíibè → nwíbè (nha) HH L H L 'personal name depicting man of the people'
iv)	òbodo L L L 'town'	≠	Ùgo → òbodóugò L L L L H L 'eagle'	→	Òbodúugò → òbodúgò(nha) L L HL L L L H L 'personal name depicting town noted for eagle, the bird'
v)	Ọ́zọ H H 'title'	≠	Úgwu → Ọ́zọugwú H H H HH H 'mountain'	→	Ọ́zuugwú → Ọ́zugwú (nha) H HH H H H H 'titled man living on the mountain or hilly area'
vi)	íke H H Strength	≠	ágụ́ → íkeagụ́ H S H HH S Lion	→	Íkaagụ́ → íkagụ́ (nha) H HH S H H S 'strong person'

vii)	Ǹgbọ́ L H 'female'	≠	éke → Ǹgbọ́eke H H L HH H 'Igbo market day'	→	Ǹgbéeke → Ǹgbéke (nha) L H H H L H H 'female child born on Eke market day'
viii)	nwá H 'child'	≠	óyè → Nwàóyè H L 'Igbo market day'	→	Nwóoyè → Nwóyè (nha) H L 'child born on oye/orie day.'
ix)	Ọ̀yí̤ L H 'friend'	≠	Ìgbo → Ọ̀yí̤igbo L L L LL L 'tribe'	→	Ọ̀yiigbo → Ọ̀yigbo (nha) L LL L L L L 'friend of the people or masses.'
x)	Òkólo L H H 'male'	≠	ágụ́ → Òkóloagụ́ H S L H HH S 'lion'	→	Òkólaagụ́ → Òkólagụ́(nha) L H HH S L H H S 'male named after lion or born in the desert.'
xi)	Ọ́zọ H H 'title'	≠	ézè → Ọ́zọezè H L H HH L 'king'	→	Ọ́zeezè → Ọ́zezè (nha) H HH H H H L 'titled man who became king'

Nkata

E lee anya n'okwu ndị ahụ amakọrọ ọnụ wee nweta mkpọaha nha onwe ndị ahụ, a ga-ahụ na okwu abụọ ndị ahụ nodebere onwe ha n'ọmụmaatụ nke ọ bụla nọ n'otu ogoolu piichi ma nwekwa otu akara ụdaolu (elu elu // ma ọ bụ ala ala \ \) nke mere o ji dị mfe inweta mkpọha nha onwe ndị ahụ site n'iji olilo ụdaume na ndapụ ụdaume.

2. Mkpọha Nha Ebe

	Mkpọaha	**+**	**Mkpọaha**		
i)	áma H H 'streeť	≠	óboli → ámaobóli H H H H HH S level 'outskirtch'	→	ámoobóli → Ámobóli(nha) H HH S level H H S level 'people living on the outskirtch of the town/village.'
ii)	áma H H 'streeť	≠	ákpụ́ → ámaakpụ́ H S H HH S 'cassava'	→	Ámakpụ́ (nha) H H S 'people living within the area where akpụ tree grows or noted for cassava'
iii)	nwá H 'child/small'	≠	íyí → nwáiyí H L HH L 'river'	→	nwiíyí → Nwíyí (nha) HH S H S 'name of desert within a small river or stream.'
iv)	áma H H 'streeť	≠	Úkwu → ámaukwu H H H HH H 'great'	→	ámuukwu → Ámukwu(nha) H HH H H H H 'Village greater than others or market name.'
v)	áma H H 'streeť	≠	Ọ́ka → ámaọ́ká H H H HH S 'town'	→	ámọọ́ká → Ámọ́ká (nha) H HH S H H S 'village believed to have come from ọka town'
vi)	áma H H 'streeť	≠	Ọ́fị́á → ámaọfị́á H LH H HH LH 'bush'	→	ámọọfị́á → Ámọfị́á (nha) H HH S H H S 'village or people living at bushy area of the town.'
vii)	áma H H 'streeť	≠	éfùru → ámaéfùru H L L H HH L L 'a type of tree'	→	ámeefùru → Áméfùru (nha) H HH L L H H L L 'people/place where efuru trees grow'.
viii)	áma H H 'streeť	≠	ájị̀ → ámáajị̀ H L 'a type of tree'	→	Ámájị̀ H H L 'people named after Ajị tree or people living there.'

ix) áma ≠ Ọ̀kwụ́ → àmaọkwụ́ → àmọọkwụ́ → Àmọkwụ́ (nha)
H H H S H HH S H HH S H H S
'street' 'river' 'people living/named after river ọkwụ.'

x) áma ≠ Úgwu → ámaugwu → ámuugwu → Ámugwu(nha)
H H H H H HH H H HH H H H H
'street' 'mountain' 'people living within mountain area.'

Na mkpọaha nha ebe ndị ahụ e nwetara na nsekasị iheọrụ/data, eji olilo ụdaume nloghachi wee makọọ ha ọnụ. Nke ọzọ, iwu akpọmakpọ mere ka ụdaume ndị ahụ dị n'okwu abụọ ndị ahụ a makọrọ ọnụ gbanwee na mkpọpụta ha nke pụtara ihe na mkpọaha nha ebe ndị ahụ e gosipụtara n'elu ebe a. Ihe butere mgbanwe ahụ bụ na ụdaume ndị ahụ nọ n'oke okwu ndị ahụ a makọrọ ọnụ nọ n'ogoolu piichi ma nwee otu akara ụdaolu (// \ \).

3. Mkpọaha Nha Onwe E nwetara site na Ngwaa

Ngwaa + Ngwaa

i) ékwú ≠ èmé → Èkwúèmé (nha)
L H L H L HL H
'talking' 'doing' 'He who talks and acts'

ii) ékwú ≠ èné ≠ chí → Èkwúènéchí (nha)
L H L H H L HL H S
'talking' 'looking' 'God' 'Talking and looking unto God.'

iii) èmé ≠ áchị̀ → Èméachị̀ (nha)
'doing' 'laughing' 'Doer laughter'.

Nke a gosiri na ngwaa na-arụ ọrụ na mmebe mkpọha nha n'asụsụ Igbo nke enweghị mgbagha.

4. Mkpọaha Nha Onwe E nwetara site n'iji Ngwaa bụ, dị na ji.
Mkpọaha + Ngwaa (bụ, dị na ji) + Mkpọaha

i) àniị ≠ bú + ézè → àniịbúézè → Àniịbéézè → Àníịbézè (nha)
L L H H L L L H S L L L HS L L H H L
'land' 'is' 'king' 'land is king'

ii) àzú ≠ bú + íke → àzụbụíke → àzụbiíke → Àzụbíke (nha)
L H H H H L H HH level L H HS Level L H S Level
'back' 'is' 'king' 'back is strength or step backwards for strength (male name)

iii) ágú ≠ dí ≠ ìre → ágụdịírè → Ágụdịírè → Ágụdírè
H S H L L H H HS L H H HS L H H S L
'lion' 'be' 'clever' 'clever lion/person (male name)

iv) àniị ≠ dí ≠ ìfe → àniịdíífè → àniịdíifè → Àniịdífè (nha)
L L H L L L HS L L L HS L L L H L
'land' 'be' 'spacious/wide'' 'land is spacious/broad' (male name)

v) chí ≠ jí ≠ òke → chíjiòke → chíjoòke → chíjòke (nha)
H H L L H L L H LL L H L L
'God' 'holds' 'share' 'God gives share or favour' (male name)

vi) ńnà ≠ jí ≠ ụbá ≠ ńnàjyụbá → ńnàjyụbá → Ńnàjụbá (nha)
H L H L H H LH L H H L L H H L L H
'father/God' 'holds' 'wealth' 'God holds or gives wealth'

Nkata

Ọ dị mkpa ịkọwa ebe a na ọ bụrụ na ewepụ ngwaa ndị ahụ (bụ, dị na ji) na mkpọaha nha ndị ahụ e gosipụtara n'elu ebe a; mpụtara okwu ndị ahụ ga-agbanwe bụrụzie ihe ndị:

i) Anieze ┐ kingdom
Ani eze┘ Eze's land.

ii) Agụire ┐ effective lion
Agụ ire ┘ Ire's lion

iii) Chioke ┐ God the Creator
Chi oke ┘ Oke's God

iv) Azụike ┐ Back of Strenght
Azụ ike ┘ Ike's back

v) Anịife ┐ spacious land
Anị Ife ┘ Ife's land

vi) Nnaụba ┐ God/Father of Wealth
Nna ụba ┘ Ụba's father

Mkpokọta

Na mkpokọta, nchọcha a lebara anya na mkpọaha nha onwe na ebe n'asụsụ Igbo dịka o si gbasata mpaghara Udi, Steeti Enugwu. E mere nchọcha iji gosipụta na e nwere mkpọaha nha n'asụsụ Igbo n'ihi na ụfọdụ ndị nchọcha ekwetaghị na e nwere mkpọaha nha n'asụsụ Igbo. E mere ntụlegharị agụmagụ ma nyochakwuo nchọcha ndị ọzọ merela n'asụsụ Yoruba, Edo-Bini nakwa asụsụ Igbo. Iji nweta mkpọaha nha ndị ahụ pụtara ihe na nchọcha a, e ji usoro olilo ụdaume, ndapụ ụdaume na nkachapụ ụdaume wee sekaa iheọrụ/data e nwetara na nchọcha a.

Mmechi

Nchọcha a agbaala mbọ gosipụta na e nwere mkpọaha nha n'asụsụ Igbo. Nchọcha a gosiri na mkpọaha nha n'Igbo bụ ndị nke e nwetara site na mkpọha abụọ kwụọrọ onwe ha a makọrọ ọnụ site n'iji usoro olilo ụdaume, ndapụ ụdaume nakwa nkachapụ ụdaume. Ọ bụghị naanị na nchọcha a gosiri na e nwere mkpọaha nha onwe n'asụsụ Igbo, o gosikwaziri na e nwere mkpọaha nha onwe na ebe n'asụsụ Igbo.

Nrụaka

Adebayo, J. (1979). *Yoruba fun ile-eko giga*. Ibadan: Heinemann Educational Books Ltd.

Agbedo, C.U. (2000). General linguistics: An Introductory Reader. Nsukka: ACE Resources Konsult.

Agbedo, C.U. (2015). *General linguistics*: *Historical and contemporary perspectives*. Nsukka: ACE Resources Konsult.

Altmann, G. (1988). Hypotheses about Compounds Glottometrika.

Amadi, V. (1996). *Vocabulary building. Functional english for higher education*. *In Ogbonna-Ohuche and Okwor, E.A (eds).* Enugu: New Concept Publishers.

Anagbọgụ, P.N. (1995). The *strong boundary condition. The Igbo perspective. Issues in African languages and linguistics. In Emenanjo, E.N. & Ndimele O*. (Edt) Aba: National Institute for Nigerian Languages.

Ayodele, S.O. (1990). *General English, a course for tertiary levels.* Ibadan: paperback publishers Ltd.

Baver, (1991). '*Areas of morphology*''. *Morphology in the linguistic Encyclopedia. McCarthy (eds)*. London: Routhledge.

Dawodu, S.T. (2004). *Edo word/language phonology*. Unpublished paper.

Eke, P. (1999). *Okoro complex of names in Isoko-Urhobo culture.* Buffalo, New York: Oxford University Press.

Ezema, C.A. (2016). *Traditional grammar*. *In Mbah (Eds), Theories of linguistics.* Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Hockett, C.F. (1954). *A manual of phonology*. Baltimore: Waverly Press.

Iloene, M. (2011). *Igbo morphology. In Yusuf (Eds) basic linguistics for Nigerian languages.* Ijebu-Ode: Shebiotimo Publications pp. 188-201.

Mbah, B.M, Mbah, E.E. Ikeokwu, E.S, Okeke, C.O, Nweze, I.M, Ugwuona, C.N, Akaeze, C.M., Onu, J.O, Eze, E.A. Prezi, G.O. & Odii, B.C. (2013). *Igbo Adị: Igbo-English, English-Igbo dictionary of linguistics and literary terms.*

Mbah, B.M. (2011). *GB. syntax: A minimalist theory and application to Igbo*. Enugu: CIDJAP Press.

Nkamigbo, L.C. (2007). Phonology in Teacher Education in Nigeria: The Igbo language example. *African Journal of Teacher Education.* (1) 1 -21. Retrieved on May 14 2022 from http://www/spreadcorp.org/ajote/index.html.

Nwaozuzu, G.I. (1991). Igbo Nominal Compounds: A semantic-typological analysis. Unpublished Ph.D. Thesis, Department of linguistics, Igbo and other Nigerian languages, Faculty of Arts, U.N.N.

Nworgu, B.G. (2006). *Educational research: Basic issues and methodology*. Nsukka: University Trust Publishers.

Onuoha, P.C. (1990). Syntax and Semantics of verb compounding in Igbo. Unpublished B.A. project. Department of linguistics, Igbo and other Nigerian languages, UNN.

Otagburuagu, E.J, Okwor, E.O, Ngonebu, C.L, Orabueze, F.O. & Ogenyi, L.C. (2012). *Basic grammar and compostion course for university students*. Enugu: Snapp Press Ltd.

Oyebade, F. (1992). *Morphology of Yoruba*. Ilorin: Unilorin Press.

Ude, F.U. (2018). *Nduzi n'usoro ime nchọcha n'asụsụ Igbo*. Enugu: Computer Edge Publishers.

Ude, F.U., Ezema, C.A. & Ezema, H.C. (2019). Nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti, steeti Enugwu. *Ekwe Jonal nke ndị Igbo scholars forum, Naijiriịa.* 12 (2) 37-61.

Ude, U.F. (2010). Integration of use of Igbo in the curriculum in all Tertiary levels of Education in Igbo land. *CUDIMAC Journal, UNN* 1(1) 117-181.

Yusuf, Ore (2011). Language and linguistics. In Yusuf (Eds) Basic linguistics for Nigerian languages. Ijebu-Ode: Shebiotimo publications pp. 6-14.